# NKWUJỌ NA NKWUHỊE NDỊ NDỌRỌNDỌRỌ ỌCHỊCHỊ, NDỊ ỌCHỊCHỊ NA NDỊ ỌRỤ GỌỌMENTỊ NAỊJIRỊA N’OKWU ỌHA

**Alozie, Kelechi A.**
Ngalaba Lingwistiks, Igbo Na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ,
Mahadum Naịjirịa, Nsụka.

**Ndubuisi Ogbonna Ahamefula Ph.D**
Ngalaba Lingwistiks, Igbo Na Asụs Naịjirịa Ndị Ọzọ,
Mahadum Na{Jir{A, Nsụka.
**Corresponding Author: Ndubuisi.Ahamefula@Unn.Edu.Ng.**

**Na**
**Joy Adaeze Onuoha Ph.D**
Igbo Unit, Humanities, School Of General Studies,
University Of Nigeria, Enugu Campus

**Umiedemede**

Nchọcha a lebara anya na nkọwapụta mmebe okwu, nkwujo na nkwuhie mgbe ndị mmadụ n’ekwu okwu n’ọha, tụmadị ndị ọchịchị obodo anyị bụ Naịjịria. Nkwujọ bụ akwadoghị nke ọma tupu amalite ikwu okwu ebe nkwuhie bụ nsọgbu nke okwukwu okwu nke na-eme na mgbe mmadụ chọrọ ikwu okwu, o hapụ ihe o bu n’obi kwuo ihe ọzọ. Ebumnuche izugbe na nchọcha a bụ ịchọpụta ihe na-ebute nkwujo ma ọ bụ nkwuhie mgbe ndị ọchịchị guzo n’ihu mba ụwa ekwu okwu. Iji mee ka nke a pụta ihe ọchọcha jiri atụtụ treesi nke aghọtamokwu wee leba anya n’isiokwu a ma gbasoo usoro nchọcha nkọwa. Ebe nsiri nweta data bụ na intanet na ụfọdụ akwụkwọ akụkọ dị ka ‘vanguard’. Nchọpụta nchọcha na-egosi na nkwuhie (slips of tongue) bụ otu n’ime nkwujo (speech error) nke nsogbu ya n’esite na ebe mkpọpụta. Ọ bụghị ebumpụtauwa kama na o nwere ihe ndị na-akpata ha mgbe mmadụ na-ekwu okwu, tụmadi n’oha mmadụ. Dị ka ahụ ọma jiji, adịghị na njikere, amaghị usoro okwu. Ọchọcha tụnyere aro na ọ bụrụ na mmadụ chọọ ịzọ ọchịchị na a ga-anwale ya nke ọma n’ikwu okwu n’ọha mma tupu enye ya ọchịchị ahụ.

**Ọkpụrụkpụ okwu**: mmebe okwu, ndị ọchịchị, nhọhie, nkwuhịe, nkwujọ.

## Mkpọlite

Ọkọwa okwu Igbo Adi kọwara okwu dị ka ihe ọbụla mmadu kwuru. Ọ bụ ihe si mmadụ n’ọnụ pụta. Ndị ọkaasụsụ Igbo kpọrọ ya ekwumekwu. Chinagorom (2015) kwuru sị na n’ime ihe niile Chukwu kere na ọ bụ naanị mmadụ na-asụ asụsụ. Asụsụ n’aka nke ọzọ bụ okwu ọnụ mmadụ kwuru ekwu. Nordquist (2019) gbasoro ọmụmụ sayensi asụsụ wee kwuo sị na mmebe okwu bụ ịga n’ezi usoro jikọta mkpụrụ ụdaasụsụ ole na ole ọnụ iji nweta mkpụrụokwu ma mgbe mkpụrụ okwu ole na ole gakọrọ ọnụ, e nweta ahịrịokwu nke onye oge nti ga-aghọta. Agbedo

(2009: 60) kwadoro nke a site n'ịsị na mmebe okwu na-aga n'ezi usoro iji nweta mkpụrụ okwu mebere ahịrị okwu. Olagoke (1983) kọwara nkwujo di ka ndapụ n'isiokwu, okwu e kwenyere na ọ dabaghị n'iwu asụsụ ahụ. Popoola (2005) hinyere nkwenye a ukwu wee sị na nkwujọ na-apụta ihe mgbe asụsụ arụghị ọrụ otu o kwesiri nye ndi nwe asụsụ ahụ. Site na nkọwa nke a, a ga-ahụta nkwujo dị ka mpụtara ezighị ezi n'iwụ asụsụ ọ bụla.

Nkwujọ na nkwuhie abụghị otu kama nkwuhie bụ otu ụdi nkwujọ. Ha abụọ nwere ike ịpụta ihe n'ọnụ otu okwuu. Mbah, Mbah, Ikeokwu, Okeke na ndị ọzọ (2013) kwuru sị na nkwujọ na-apụtakari ihe mgbe okwuu na-adịghị njikere ma ọ bụ akwadọghị nke ọma ikwu okwu mana nkwuhie bụ nsogbu nke okwukwu okwu, nke na-eme ka okwuu buru ihe ọzọ n'obi ma kwuo ihe ọzọ. Agbedo (2009: 68) kwuru sị n'oge ụfọdụ, ebe mkpọpụta mmadụ agaghị enwe ike ibunwu mkpụrụ ụda a chọrọ ka ọ kpọpụta, ọ gaa kpọpụta mkpụrụ ụda ọzọ.

Site na nkọwa ndị a niile ndị ọka mmụta mere, ọchọcha na-asị na nkwujo bụ atụmatụ apụghị izere ezere n'ọmụmụ. Ha so na ngalaba asụsụ, ọ bụ ha na-ewepụtagasị ụfọdụ nka dị mkpa n'ọmụmụ asụsụ.

Edemede a ga-agbado ụkwụ na nkwujo na nkwuhie juru n'ekwumekwu ndị ọchịchị obodo.

## 2.0 Ntụleghari Agụmagụ

Na nchọcha a, ọchọcha ga-atụleghari agụmagụ n'isiokwu ndị a: Nnyọcha atụtụ, Ntuleghari isiokwu, Nchịkọta ntụleghari agụmagụ na atụtụ nchọcha.

### 2.1 Nnyọcha Atụtụ

Atụtụ a gbasoro n'ọrụ a bụ ndị a: Atụtụ mmụtansinogbe, Atụtụ ebumpụtaụwa, Atụtụ Aghọtamokwu.

**2.1.1 Atụtụ mmụtansinogbe (Behaviourist theory):** Onye nchọpụta atụtụ a bụ B.F. Skinner (1957). Ọ na-akọwa na mgbe a mụrụ nwata na ụbụrụ ya tọgbọrọ chakoo, na ihe ọ bụla mmadụ matara bụ ihe a kuziri ya ma ọ bụ ihe ọ mụtara na gburu gburu ya. O kwenyere na asụsụ bụ ihe a na-amụ amụ ma ụmụaka na-amụ asụsụ n'usoro n'usoro dị ka: usoro nṅomi, nkwụghari, ibunisi, mmụghari, ija mma na nkọcha mgbe nwata mere ihe ọjọọ. Nke kacha pụta ihe gbasara usoro ọmụmụ ụmụaka bụ nṅomi. Ụmụaka na-amụ ka e si ekwu okwu site n'iṅomi ihe ndị okenye nọ ha gburu gburu na-ekwu. Nke a ga-eme ka mmụta ha na-abawanye mgbe ha na-ekwughari ma na-emeghari kwa ọtụtụ ihe ndị okenye nọ ha nso na-eme ma ọ bụ na-amụgosi ha.

Ihe ọzọ onye ọka mmụta Skinner rụtụrụ aka bụ na ebe nwata nọ na-enyekwa aka na mmụta ya. Ụmụaka nọ otu ebe na-agbaso otu akparamagwa na mmụta asụsụ n'ihi na ọ dịghị ndịiche dị n'usoro ụmụaka si amụta asụsụ na usoro ha si amụ ihe ndị ọzọ, naanị ihe dị mkpa bụ ija ya ike mgbe o mere nke ọma na ịkatọ nke ọjọọ o mere iji kpalite ya ịmụghari ihe ndị a kụziri ya. Agbedo (2015: 79) kwuru na nkatọ atụtụ a site n'ihe akaebe e nwetara n'ụdị asụsụ ụmụaka na-emepụta, ihe ndị ụmụaka enweghị ike ikwu ma ọ bụ iṅomi usoro nwube okwu kpom kwem na-egosi na nnweta asụsụ abụghị nṅomi kama ntozu oke.

**2.1.2 Atụtụ ebumpụtaụwa (*Innateness theory*):** Mperi ndị atụtụ mmụtansinogbe dubara ndị ọmụmụ asụsụ jenaretiivu nke afọ 1960's na mgbagha na ụmụ aka ga-eburiri ihe n'enye asụsụ

n’ime ha pụta ụwa. Onye isi atụtụ a bụ Chomsky (2000), O kwuru na a mụnyere ụmụaka ikike ebumpụtaụwa ima asụsụ. Ya mere o ji dịrị nwata mfe ịmata asụsụ mbụ ya. Atụtụ a na-akọwa na ụbụrụ mmadụ na-adị na njikere ịnweta asụsụ ekereụwa mgbe ụmụaka malitere nụwa asụsụ, ihe ndị ahụ Chineke kenyere ya n’ime ga-ebido rụwa ọrụ, nwata ahụ amalite ịmata na ihazi asụsụ. Chomsky rụtụkwara aka na e nwere ngwa mmata asụsụ (NMA) nwata bu pụta ụwa ndi bekee kpọrọ (*Language Acquisition Device* – LAD). Ọ bụ ‘NMA’ a na-enyere ụmụaka aka ịmụta asụsụ ọsịsọ. Ọ zipụtakwara etu ‘NMA’ si arụ ọrụ. (i), ‘NMA’ na-enye ụmụaka amamihe nke ọmụmụ asụsụ n’ọdịdị usorookwu (ii) ‘NMA’ na-enyere ụmụaka aka ịmata ụzọ ha ga-agbaso iji mata asụsụ ha ga-amụ.

Otu ọkpụrụkpụ nkatọ a katọrọ ndị atụtụ ebumpụtaụwa bụ na ụmụaka anaghị amata ọrụ asụsụ ndị okenye na-arụ nke na-enyere ụmụaka aka imepụta asụsụ n’onwe ha. Atụtụ a riri mperi n’ọtụtụ ebe dị ka n’usoro ya dị mgbagwojuanya, katigiri ya ye oye, nke ka nke bụ na o siri ike nke enweghị ike ịmata site na mbọ a gbarala.

**2.1.3 Atụtụ Aghọtamokwu (*models of speech production*):** E nwere ọtụtụ ihe nlereanya nke nghọtaokwu, ha gụnyere: Treesi, moto, kohot, exampụla, ṅurokọmputeshon na Duwal strim tiori. Ọchọcha ga-eleba anya naanị na abụọ ndị mbu – Treesi na moto nke atụtụ aghọtamokwu.

2.1.3.1 **Treesi *(trace*)**: Treesi bụ otu n’ime ihe nlereanya aghọtamaokwu nke kacha pụta ihe. Dị ka aha ya si di, ọ na-etreesi ngwa mmebe okwu niile dịka; mkpụrụụdaasụsụ, mkpụrụokwu na atụmatụ ndị ọzọ maka nghọta okwu wee jikọta ha ọnụ, ha nọrọ n’otu usoro. Treesi lebakwara anya n’ụdị ọnọdụ abụọ ndị a: Nke mbụ, o ji nke nke okwu arụ ọrụ. Ebe nke abụọ na-ahụ maka ịmata mkpọụda na mkpụrụokwu n’okwu ọnụ. Ka ha ra bụ ihe nlereanya ndịa nwere nnukwu ogo nke a haziri ụzọ atọ nọọrọ onwe ha. Ogo ọbụla nwere ndị chọpụtara ha maka ịmata ọdịiche ha n’ogo ahụ. Treesi n’arụ ọrụ na ntụziaka abụọ. Ọ na-ahapụ ka mkpụrụokwu ma ọ bụ mkpọ ụda si n’okwu ọnụ pụta site n’ige ụdaokwu ka mkpọ ụda si apụta ihe. A tụkọta mkpụrụ ụda ndị ahụ, enweta mkpụrụokwu nke onye na-ege ntị ga-aghọta.

2.1.3.2 Atụtụ moto (motor theory): Onye chepụtara nlereanya moto nke aghọtamokwu a bụ Liberman na Prince n’afọ (1967) n' Agbedo (2015:82). Ebumnobi ha gbadoro ụkwụ na mmepụta ụda n’olu okwu. Ndị atụtụ a tụpụtara na onye na-ege ntị na-aghọta kpom kwem ihe okwuu na-ekwu mgbe ọ na-ekwu okwu. mmeghari ụdaolu ọ bụla na-egosipụta n’ụda olu okwuu. Ọ bụkwa enyemaka atụtụ ndị ọzọ ka atụtụ moto ji arụ ọrụ.

**2.2 Ntụleghari Isiokwu**

Isiokwu ndị a ga-atụleghari n’agba nke a bụ ọrụ ndị odee dị ka: Micheal na Bernard (2009), Fatimah, Lukmana na Dia-an (2021), Akpati (2014), Khadijah (2015), Siti na Rohmani (2021), na Agbo (2022).

Michael na Bernard (2009) mere nchọcha site n’ihe nnyocha sayensị e wepụtara maka mmepụta okwu iji mata ihe ndị na-ebute ọdịda na mgbanwe ụdaolu. Ha chọpụtara na igwe nchọpụta ahụ nyere aka nke ukwuu n’imata ụdịdị mkpụrụụda na usoro a ga-agbaso itinye ha n’ọrụ.

E mere nchọcha maka nkwujo nwunye onyeisiala chiburu ala Naijịria site n’afọ 2009 ruo n’afọ 2015 a kpọrọ Dane Patience Jonathan na-ekwupụta mgbe ọ bụla ọ na-ekwu okwu n’ọha. A

chọpụtara na nkwujọ ndị a bụ maka na ọ naghị akwado okwu o bu n'obi ikwu tupu o kwewe n'ihi ya, nsogbu nke ya abụghị nkwuhie, kama nkwujo.

Fatimah na ndị otu ya (2021) n'otu aka ahụ bagidere ime nchọpụta maka nkwujo na nkwuhie n'ihe onyonyo a kpọrọ "Tonight show Indonesia". Ha chọpụtara na nkwujo na nkwuhie bara ụba n'egwuregwu ahụ. Imatụ V: 'Papa roti papa roti ini mama keu mama kue' Papa bread papa bread this is mama kake' O kwuru 'keu' kama ihe o bụ n'obi ikwu 'kue' (cake).

Akpatị (2014) mere nchọcha n'usoro sayensi asụsụ iji chọpụta nkwujo ndị ọchịchị ọ chọpụtara na nkwujo ọtụtụ n'ime ha na-esite na-amaghị edebe iwu usoro nwube okwu dị ka ebe na ebe e kwesiri itinye akara edemede ma ọ bụ ịkpọpụta mkpụrụokwu etu e si asupe ya.

Khadijah (2015) n'otu aka ahụ mekwara nchọcha maka ịmata nkwujọ onye ọchịchị ala anyị bụ President Mohammadu Buhari mere ọtụtụ mgbe na ọtụtụ ebe n'oge n'oge achumta vootu nke afọ 2023. A chọpụtara na ọtụtụ nkwuhie n'okwu ya dị ka ibu ihe ọzọ n'obi kwuo ihe ọzọ.

Siti na Rhomani (2021) mere nchọcha gbasara nkwujo Onyeisiala Amerika a kpọrọ Barak Obama mere na "axe files" mgbe a na-agba ya ajụjụ ọnụ. E mere nchọcha a iji mata ụdị nkwujo ma ọ bụ nkwuhie o mere. A chọpụtara na ọ bụ ụdị nkwuhie a kpọrọ "nnochianya" n'ihi na o ji ihe ọzọ nọchie anya ihe ọ chọrọ ikwu. Agbo (2022) mere nchọcha nke ya gbasara nkwujọ na nkwuhịe ndị ọchịchị, ihe ndị na-akpata ya tụmadị mgbe ha na-ekwu okwu n'etiti ndị mmadụ. Ọ chọpụtara na ụfọdụ ihe na-akpata nkwujọ na nkwuhie n'etiti ndị ọchịchị ala anyị bụ, Obi ọma jiji n'iguzo n'ihu ọtụtụ mmadụ, enweghị nghọta zuru oke n'usoro nwube okwu Igbo na ọtụtụ ihe ndị ọzọ.

Nchọcha ndị a niile ndị odee dị iche iche merela gbasara isiokwu a gbadochara ụkwụ na nkwujọ na nkwuhie dị iche iche ndị ọchịchị mba ụwa na-eme. Ọ ga-enyere ochọcha aka n'ọrụ ya ịchọpụta ụdị ya dị iche iche, ihe na-akpata ya na ụzọ e nwere ike isi belata ya.

**2.3 Nchịkọta Ntuleghari Agụmagụ**

Na ntụleghari agụmagụ, ọchọcha nyere nkọwa n'ụfọdụ okpụrụkpụ okwu pụtara ihe mkpolite dị ka; okwu, nkwujo, nkwuhie na mmebe okwu. E nyoochakwara ụfọdụ atụtụ na-arụtụ aka na nkwujọ na nkwuhie n'usoro nwube okwu Igbo. Atụtụ ndị a gụneyre: atụtụ mmụtansinogbe, ebumpụtauwa, na Atụtụ Aghọtamokwu.

E lebakwara anya n'ụfọdụ nchọcha ndị ọchọcha ọzọ merela nwere ka ha siri yite nchọcha nke a iji nyere nchọcha a aka ilebanye anya n'ebe nchọcha ndi mbụ akpatughị aka ma ọ bụ ebe ndị chọkwara mkpatụ aka. Ndị nchọcha dị ka Akpatị (2014), Khadijah (2015), Agbo (2022) na ndị ọzọ emeela nchọcha metụtara nkwujọ na nkwuhie ka e siri hụ ha na intaneeti.

**2.4 Atụtụ Nchọcha**

N'ime atụtụ niile e nyochara n'ọrụ nchọcha a, a họọrọ atụtụ treesi nke Aghọtamokwu iji zipụta mbunuche nchọcha a n'ihi na a na-ewepụta asụsụ site n'isi na ntụkọta mkpụrụụda nweta mkpụrụokwu wee nwetazie ahiriokwu nke ọnụụ ga-aghọta. Agbedo (2015:81). rụtụrụ aka na ekwumekwu sị na treesi na-akọwa maka atụmatụ mkpakọrịta. Ihe niile gbasara ekwumekwu dk: ụdị ya dị iche iche, mkpụrụ ụda na mkpụrụokwu e ji emebe ya, nwechara ọrụ dị iche iche ha na-arụ na nwube usoro okwu. Ọrụ treesi bụ ijikọta ha ọnụ ka ọ buru okwu a haziri ahazi dịkọtara ọnụ dị ka otu. Atụtụ a, ga-enyere ọchọcha aka n'orụ ya ichọpụta ihe na-ebute nkwujọ na nkwụhie n'ebe ndị ọchịchị obodo anyị nakwa ndị mba ụwa nọ.

**3.0 Usoro Nchọcha**

N'agba nke a, onye nchọcha ji nchọcha akụkọ wee mee nchọcha ya. Ọ kọrọ etu ndị mmadụ si emebọ onwe ha n'ọha mmadụ tụmadị ndị ọchịchị ala anyi n'ihi anaghị adị njikere ma ọ bụ nkwadobe tupu ha apụta ikwu okwu n'ọha, nke na-eme na a na-enweta ọtụtụ nkwujọ n'okwu ọnụ ha. Ọchọcha jiri ala Naijịria wee mee ebe nchọcha ya, jiri ndị ọchịchị mee ndị nchọcha, ngwa ọrụ e jiri mee nchọcha a bụ intaneeti. Ụfọdụ ndị ọchịchị ala Naijịria dịka, Dave Patience, Bola Tinubu, Presi. Buhari na ụfọdụ ndị mba ofesi di ka Pres. Barack Obama na ndị ọzọ. E depụtasịrị ụdị nkwujọ dị iche iche ha mere n'okwu ha ma hazie ha nke ọma.

**4.0 Mwepụta Na Ntụcha Data**

Na mpaghara a, ọchọcha ga-ezipụta ụdị nkwujọ na nkwuhie dị iche iche ndị ọchịchị ala anyị na ụfọdụ ndị nwere agba n'ọrụ gọọmentị ala anyị na-ekwu:

**4.1 Nkwuhie** bụ otu n'ime nkwujọ e nwere na mmebe okwu. Hockett (1960), Fromkin (1973) tụpụtara ụzọ nkwuhie asaa n'akwụkwọ Fatimah na ndị otu ya (2021) mana ọchọcha ga-enwere naanị atọ n'ime ha were hazie njiatụle nchọcha a. Ha bụ: nnochianya, (substitutions), Mgbochi (auticipations), na Ntụgharị (transposition).

**4.1.1 Nnochianya (substitutions):** Ụdị nkwuhie a na-apụta ihe mgbe mmadụ ji ihe ọzọ adabaghi dochie ihe o bu n'obi ikwu. Onye tụpụtara ya bụ Karl Wernicke dịka Agbedo (2009) si kwuo, imaatụ:

(i) N'Owere dị na steeti Imo, onye na-apụta n'ọkwa onyeisiala na-achọ ka ndị otu pati ya na kpitalụ steeti Imo tụnyere ya, a chọpụtakwara nkwuhie mgbe ọ kpọrọ aha onye osote ya n'achụmta vootu bụ 'Yemi Osibanjo'. Ọ kpọrọ ya; Yemi Osibade. Ụdị nkwuhie a bụ nke a na-akpọ 'nnọchianya'. O jiri mkpụrụokwu 'de' nochie anya 'njo'.

(ii) Nwunye onyeisiala Naijịria site n'afọ 2009 rue 2015 a kpọrọ Patience Jonathan mekwara nkwuhie nnochianya mgbe ọ na-agwa ndị ga-atụnyere ha. Ọ siri "vote umblerra and press your finger for umblerra!!!". N'okwu o kwuru, o ji 'l' nọchie ebe 'rr' nọ, were 'rr' dochie ebe 'l' ga-anọ.

(iii) Bola Tinubu mekwara nkwuhie nnochianya mgbe ya na ndị otu ya gara rali na steeti Rivas. Mgbe ọ na-achọ igwa ndị mamdụ okwu ọ siri "Bayo" ebe ọ chọrọ isi 'ballot'. Mgbe o kwuru nke a, onye nọ n'akụkụ ya tiri "Amen!" maka na ọ tụghị anya na onye chọrọ ị bụ onyeisiala nwere ike ikwu ụdị nkwuhie a. Lee ihe o kwuru "make sure you have your PVC, make sure your vote and your Bayo". O kwuzie ya sị "vote and your ballot is ready and you know, I know already"

**4.1.2 Mgbochi (Anticipations):** Nke a bụ ụdị nkwuhie ọzọ e nwere, n'ụdị nkwuhie a, out mkpụrụuda dị n'okwu anaghị apụta ihe na mkpọpụta okwu. Ima atụ: (i) N'Amerịka, ebe onyeisiala Naijiria – President Mohammadu Buhari na-ekwu maka ụmụakwụkwọ ndị a tọọrọ n'ụlọakwụkwọ (Chibok girls) ọ si "The children had been kidnapped from their hotels" ebe ọ chọrọ ikwu "hostels". Ihe o ji bụrụ 'mgbochi' bụ na nkwuhie ahụ gbochiri mkpụrụụda /s/ dị na 'hostels', a nụzie 'hotels'.

**4.1.3 Ntụgharị (Transposition):** Na nkwuhie ntụgharị, okwuu nwere ike iji okwu yitere okwu o chọrọ ikwu tụgharịa nke o bu n'obi. Ọmụma atụ: (i) N'ajụjụ ọnụ a gbara President Mohammadu Buhari n'ụlọ mgbasaozi ndị Al. Jazzeera gbasara mbugharị ntuliaka na mbido afọ. Ọ kọwara

INEC dị ka “The Independent Nigerian Electoral Commission” kama, “The Independent National Electoral Commission”. Ihe o ji bụrụ ntụgharị bụ na o jiri “Nigeria” mere “national”. Ọ bụ nkwuhie (slips of tongue) n’ihi na onye ụwa na-ege ntị kwesiri ihazi onwe ya nke ọma tupu o kwuwa okwu.

(ii) Na USA, President Buhari gara ihụ Onyeisiala ndị Amerịka bụ President Barack Obama. Mgbe ha abụọ na-akparịkọta ụbụbọ maka udo dị n’ọchịchị ndị Naijịria (Peaceful power transmission in Nigeria) Buhari kpọrọ Pati ya “All Nigerian’s People’s Congress”. Na ntị ndị mmadụ, ọ dara “combination of the All progressive Congress” na “the people’s Democratic Party” A ga-asị n’ụdị nkwuhie nke a bụ ntụgharị maka na okwuu tụghariri aha pati ya na aha pati ọzọ ebe o nwezighi nghọta.

**4.2 Nkwujọ**

Ụzọ ọzọ e si enweta nkwujọ mgbe a na-ekwu okwu n’ọha bụ mgbe okwuu amaghị iwu na-achị ụtọasụsụ n’asụsụ ọ na-asụ, dị ka itinye akara edemede ebe kwesiri ekwesi, izipụta ahiriokwu n’ụsọ a haziri nke ọma na ọtụtụ ndị ọzọ.

Dịka nchọcha e mere, a chọpụtara na ụfọdụ ndị ọchịchị ala anyị riri nnukwu mperi na nke a maka na ọ bụ ha kwupu okwu, ntị nụrụ ya amaa jiji, ụfọdụ ana-asụ dị ka a ga-asị na ha ahụtụghị ụlọakwụkwọ anya ma ọlị. Ka anyị lee anya na njiatule ndị a:

Nkwujọ ụtọasụsụ a nụrụ n’ọnụ Patience Jonathan n’ebe dị iche iche ọ gwara ndị mmadụ okwu bụ n’okwu Bekee:

1) “My husband and Sambo <u>is a</u> good people”
2) “The President who was once a child and the senators were once <u>a children</u>”
3) “My fellow widows”
4) “A good mother takes care of <u>his</u> children”.
5) “The people sitting before you here were once <u>a children</u>.”

Otu onye nwere agba n’ụlọ ọrụ “Civil Defense” nwere mgbe ọ na-agwa ndị mmadụ okwu, o mere nkwujo site n’isi “My Oga on top” okwu a bụ nkwujo n’ihi na ọ bughị ezigbo Grama.

President Mohammadu Buharị mekwaziri ọtụtụ nkwujọ ọtụtụ oge ọ na-agwa ndị mmadụ okwu n’ihe onyonyo. Ụfọdụ n’ime ya bụ:

- “We govern Nigeria honestly in accordance with the constitution”.
- “Preserving the nations future is a sacred public obligation to all of us in this great party”.
- “We will turn Nigeria to a position of international respect through patriotic foreign policies”.
- “We will strive to attack poverty through broadly shared economic growth”.
- “Shall we at home continue to live in a condition where the power holding company and its successors seem only to have the power to hold us in darkness?”

**Nchịkọta Njiatụle**

N’ihe ọmụmụ nsunuburu (Psycholinguistics), ọ bụ nhohie mkpụrụokwu (paraphasia) ka a gbadoro ụkwụ iji kọwaa isiokwu a n’ihi na ọ gbara ọtọ ihe butere oke nkwujo na nkwuhie n’ekwumekwu ndị mmadụ tụmadị mgbe ha na-ekwu okwu n’ọha. Okachamara n’amụmamụ

nsunubụrụ bụ Kussmaul (1877) n'akwụkwọ Agbedo (2009) bụ onye chọpụtara ya. Ọ hụtara ya dị ka ntụgharị (ịtụgharị mkpụrụụda na mkpụrụokwu nke na-eme ka okwu ahụ gbagwojuu anya n'aka nke ọzọ, Ọ bụ nsogbu na-eme ka onye na-ekwu okwu họrọ mkpụrụ okwu adabaghị n'ihe ọ na-ekwu, tinye ebe o kwesiri itinye nke dabara were kwuo okwu ya. Ima atu: iji 'eze' nọchie anya 'ezie' (Mbah na ndị otu ya (2013)).

**Mmechi**

Nchọcha a rụtụru aka na nkwujo na nkwuhie dị ka ọ dị n'etiti ndị ọchịchị na ụfọdụ ndị nwere agba n'ọrụ gọọmentị ala anyị bụ Naijịria. Nchọcha a na-akwadọkwa ka ndị nchọcha ndị ọzọ ga-eme nchọcha n'isiokwu a nyochakwuo ụzọ ọzọ nkwujọ na nkwuhie si apụta ihe n'okwu ọnụ ndị mmadụ na ụzọ a ga-esi belata ya.

**Nrụtụaka**


Agbedo, C. U. (2009). *Language and mind: New Directions in Psycholinguistics.* Nsukka: ACE Resources Konzult.

Agbedo, C. U. (2015). *General Linguistics: Historical and Contemporary Perspectives.* Nsukka: Kunicee – Ntashe Press Inc.

Agbo, C. (2022). *Much Ado about a political slip*. Retrieved from https://mobile.twitter.com@APCPress.

Akpati, C. F. (2014). *Discourse study of Linguistic Errors in Vanguard Online and Readers' Comments on the alleged 2012 fuel subsidy committee bribery scandal*. http://dx.doi.org/10.4314/ejotmas.v8i 1-2.18

Chinagorom, L. C. (2015). *Uru Ezi Akanka n'agụmagụ Igbo Ugbua*. I. O. Publishers: Owerri-Nigeria.

Chomsky, N. (2000). *New horizons in the study of language and mind*. Cambridge, UK, New York: Cambridge University Press.

Fatimah, A., Iwa, L., Dian, R. (2021). *Slips of the tongue: A repair strategies in TV show "Tonight show Indonesia".* Atlantic Press.

Fromkin, V. A. (1973). *Speech Errors as Linguistic Evidence*. The Hague: Mouton.

Hockett, C.F (1960). The Origin of Speech. Scientific American. 203, 86-96.

Khadijah, T. (2015). *Five sources speech blunders of President Buhari*. Online – Legit.ng.

Kussmanul.A. (1877). Die storunger der sprachie (Disturbances of speech). *Cyclop. Pract. Med* 14, 581-875.

Liberman, M. na Prince, A. (1977). On stress and linguistic rythyme. *Linguistic Inquiry*, 8, 249-336.

Mbah, B. M., Mbah, E. E., Ikeokwu, E. S., Okeke, C. O., et al (2013). *Igbo Adị: Igbo-English, English-Igbo Dictionary of Linguistics and Literary terms.* University of Nigeria Press Ltd. Enugu – Nigeria.

Michael, T. M. & Bernard, J. B. (2009). *Laboratory induction of verbal slips: A new method for psycholinguistic research.* Retrieved from https://doi.org/10.1080/014633776093 69216.

Nordquist, R. (2019). *What is communication and how to use it effectively*. Richar Dotdash Publishing family. Retrieved from https://www.thought.com.

Olagoke, D. (1983). Contrastive analysis, errors analysis and interlanguage. Seminar paper presented at the Department of English, Obafemi Awolowo University of Ile-Ife.

Popoola, L. (2005). *Element of applied linguistic liesa*. Life Gate Printing Press.

Siti, Z. & Rohman, N. I. (2021). Slips of the tongue in Barack Obama Interview at the axe file. *Professional Journal of English Education*, 4, (2).
Skinner, B. F. (1957). *Verbal behaviour*. New York: Appleton.